## AKWUKWỌ MBU NKE MOSES, ANĀKPỌ

# JENESIS

1 1 Na mbu Chineke kere elu-igwe na
uwa. 2 Uwa we buru ihe tọḅọrọ
n'efu na ihe tọḅọrọ nkitị́; ọchichiri
di kwa n'elu oḅu-miri: Mọ Chineke
nērughari kwa n'elu miri. 3 Chineke
we si, Ka ìhè di: ìhè we di. 4 Chineke
we hu ìhè ahu, na ọ di nma: Chineke
we kpa ókè n'etiti ìhè ahu na ọchichiri
ahu. 5 Chineke we kpọ ìhè ahu Ehihie,
ọchichiri ahu ka Ọ kpọ-kwa-ra Abali.
Anyasi we di, ututu we di, buru otù
ubọchi.

6 Chineke we si, Ka mbara di n'aḅata
miri ahu, ka ọ nọ kwa nākpa ókè n'etiti
miri na miri. 7 Chineke we me mbara
ahu, kpa ókè n'etiti miri ahu nke di
n'okpuru mbara ahu na miri ahu nke
di n'elu mbara ahu: ọ we di otú a.
8 Chineke we kpọ mbara ahu Elu-igwe.
Anyasi we di, ututu we di, buru ubọchi
nke-abua.

9 Chineke we si, Miri ahu nke di
n'okpuru elu-igwe, ka achikọta ha n'otù
ebe, ka ahú kwa ala-akọrọ: ọ we di otú
a. 10 Chineke we kpọ ala-akọrọ ahu
Ala; nchikọta miri ahu ka Ọ kpọ-kwa-ra
Oké Osimiri: Chineke we hu na ọ di
nma. 11 Chineke we si, Ka ala puputa
ahihia ndu, ihe-ọkukú nke nāmiputa
nkpuru-ọghigha, osisi nkpuru nke nāmi
nkpuru di iche iche, nke nkpuru-ọghi-
gha-ya di nime ya, n'elu ala: ọ we di otú
a. 12 Ala we weputa ahihia ndu, ihe-
ọkukú nke nāmiputa nkpuru-ọghigha di
iche iche, ya na osisi nke nāmi nkpuru
di iche iche, nke nkpuru-ọghigha-ya di
nime ya: Chineke we hu na ọ di nma.
13 Anyasi we di, ututu we di, buru
ubọchi nke-atọ.

14 Chineke we si, Ka ihe nke nēnye
ìhè di na mbara elu-igwe ikpa ókè n'etiti
ehihie na abali; ka ha buru kwa ihe igosi
ihe-iriba-ama di iche iche, na igu mḅe
akàra àkà, na igu ubọchi na arọ: 15 ka
ha buru kwa ihe nēnye ìhè nime mbara
elu-igwe inye ìhè n'elu uwa: ọ we di
otú a. 16 Chineke we kpua ihe uku abua
ahu nke nēnye ìhè; Ọ kpuru ihe ahu
nēnye ìhè nke ka uku ka ọ nāchi ehihie,
na ihe ahu nēnye ìhè nke ka ntà ka ọ
nāchi abali: Ọ kpu-kwa-ra kpakpando
nile, 17 Chineke we tiye ha nime
mbara elu-igwe inye ìhè n'elu uwa,
18 na ichi ehihie na ichi abali, na ikpa
ókè n'etiti ìhè na ọchichiri: Chineke we
hu na ọ di nma. 19 Anyasi we di,
ututu we di, buru ubọchi nke-anọ.

20 Chineke we si, Ka miri nuputa ihe
nēnuputa enuputa, bú anu nwere nkpu-
ru-obi di ndu, ka anu-ufe feghari kwa
n'elu uwa n'iru mbara elu-igwe. 21 Chi-
neke we kè ogologo anu uku nile di na
miri, na anu nile ọ bula nwere nkpuru-
obi di ndu nke nākpu akpu, nke miri
nuputara, di iche iche, na anu-ufe nile
ọ bula di iche iche nke nwere nku:
Chineke we hu na ọ di nma. 22 Chineke
we gọzie ha, si, Muanu ọmùmù, banu
uba, juputa miri di n'oké osimiri nile,
ka anu-ufe ba kwa uba n'uwa. 23 Anya-
si we di, ututu we di, buru ubọchi
nke-ise.

24 Chineke we si, Ka ala weputa anu
di iche iche nwere nkpuru-obi di ndu,
anu-ulo, na ihe nākpu akpu, na anu-ọhia
di iche iche nke uwa: ọ we di otú a.
25 Chineke we me anu-ọhia di iche iche
nke uwa, na anu-ulo di iche iche, na ihe
nile ọ bula di iche iche nke nākpu akpu
n'ala: Chineke we hu na ọ di nma.
26 Chineke we si, Ka ayi kpua madu
n'onyinyo-ayi, dika oyiyi-ayi si di: ka ha
nwe kwa ike n'aru azù nke oké osimiri,
na n'aru anu-ufe nke elu-igwe, na n'aru
anu-ulo, na n'aru uwa nile, na n'aru
ihe nile ọ bula nākpu akpu nke nākpu
akpu n'elu uwa. 27 Chineke we kè
madu n'onyinyo-Ya, n'onyinyo Chineke
ka Ọ kere ya: nwoke na nwayi ka Ọ
kere ha. 28 Chineke we gọzie ha:
Chineke we si ha, Muanu ọmùmù, banu
uba, juputa uwa, buda ya n'okpuru
onwe-unu; nwe-kwa-nu ike n'aru azù
nke oké osimiri, na n'aru anu-ufe nke

elu-igwe, na n'aru anu nile ọ bula di ndu
nke nākpu akpu n'elu uwa. 29 Chineke
we si, Le, enyewom unu ihe-ọkukú nile
ọ bula nāmiputa nkpuru-ọghigha, nke
di n'elu uwa nile, na osisi nile ọ bula,
nke nkpuru osisi nāmiputa nkpuru-
ọghigha di nime ya; unu ka ọ diri ibu
ihe-oriri: 30 ọ bu kwa anu-ọhia nile
ọ bula nke uwa ka M'nyeworo akwukwọ
ihe-ọkukú nile ọ bula, nye kwa anu-ufe
nile ọ bula nke elu-igwe, nye kwa ihe
nile ọ bula nke nākpu akpu n'elu uwa,
nke nkpuru-obi di ndu di nime ya, ibu
ihe-oriri: ọ we di otú a. 31 Chineke we
hu ihe nile ọ bula Ọ mere, ma, le, ọ
di nma nke-uku. Anyasi we di, ututu
we di, buru ubọchi nke-isi.

2 1 Ewe kesia elu-igwe na uwa, na
usu-ha nile. 2 Chineke we jesia
ozi-Ya n'ubọchi nke-asa, bú nke Ọ jere;
Ọ we kwusi n'ubọchi nke-asa ahu n'ozi-
Ya nile nke Ọ jere. 3 Chineke we gọzie
ubọchi nke-asa ahu, do kwa ya nsọ:
n'ihi na ọ bu nime ya ka Ọ kwusiri n'ozi-
Ya nile nke Chineke kereri ekè n'ije ya.

4 Ndia bu osuso-ọmumu elu-igwe na
uwa mḅe ekere ha, n'ubọchi ahu mḅe
Jehova, bú Chineke, mere uwa na elu-
igwe. 5 Ma osisi ntà ọ bula nke ọhia
akādigh n'uwa, ihe-ọkukú ọ bula nke
ọhia akēpugh kwa: n'ihi na Jehova, bú
Chineke, akēmegh ka miri zo n'elu uwa,
ọ digh kwa madu di ilu ọlu ubi; 6 ma
alulu nēsi n'ala kwugo n'elu, nēdè kwa
iru nile nke ala miri. 7 Jehova, bú
Chineke, we were ájá sitere n'ala kpu
madu, Ọ we ku ume ndu nye n'oghere-
imi-ya abua; madu ahu we ghọ nkpuru-
obi di ndu. 8 Jehova, bú Chineke, we
kua ubi nke aḅara ogige n'Iden, n'Iru-
anyanwu; Ọ we tiye madu ahu n'ebe
ahu, bú onye Ọ kpururi. 9 Jehova, bú
Chineke, we me ka osisi nile ọ bula si
n'ala pue, bú nke anāchọsi ike n'ile anya,
nke di kwa nma ihe-oriri; osisi nke ndu
kwa n'etiti ubi ahu aḅara ogige, na osisi
nke ima ezi ihe na ihe ọjọ. 10 Osimiri
nēsi kwa n'Iden puta idè ubi ahu aḅara
ogige miri; ewe site n'ebe ahu kewa ya,
ọ we ghọ isi miri anọ. 11 Aha osimiri
nke-mbu bu Paishon: nke ahu bu nke
nāga ala Havila nile buruburu, ebe
ọla-edo di; 12 ọla-edo ala ahu di nma:
n'ebe ahu ka bdellium na nkume onyx
di. 13 Aha osimiri nke-abua bu
Gaihon: nke ahu bu nke nāga ala Etiopia
nile buruburu. 14 Aha osimiri nke-atọ
bu Hidekel: nke ahu bu nke nāga Asiria
n'Iru-anyanwu. Osimiri nke-anọ bu
Yufretis. 15 Jehova, bú Chineke, we
were madu ahu me ka ọ nọdu n'ubi
Iden aḅara ogige ilu ọlu-ya na idebe ya.
16 Jehova, bú Chineke, we nye madu
ahu iwu, si, Nkpuru nke sitere n'osisi
nile ọ bula nke ubi a aḅara ogige ka i
ganēri eri: 17 ma nkpuru nke sitere
n'osisi ima ezi ihe na ihe ọjọ, gi erila
nkpuru sitere na ya: n'ihi na n'ubọchi
i gēri nkpuru sitere na ya i ghagh inwu
anwu.

18 Jehova, bú Chineke, we si, Ọ digh
nma ka madu ahu nọ nání ya; M'gēmere
ya onye-iye-aka kwesiri ya. 19 Jehova,
bú Chineke, we site n'ala kpu anu-ọhia
nile ọ bula, na anu-ufe nile ọ bula nke
elu-igwe; Ọ we me ka ha biakute madu
ahu, ihu ihe ọ gākpọ ha: ma aha ọ
bula madu ahu nākpọ anu nwere nkpu-
ru-obi di ndu, nke ahu bu aha-ya.
20 Madu ahu we kpọ anu-ulo nile na
anu-ufe nke elu-igwe na anu-ọhia nile
ọ bula aha; ma madu, ahugh onye-iye-
aka kwesiri ya. 21 Jehova, bú Chineke,
we me ka oké ura dakwasi madu ahu, ọ
we raru ura; Ọ we weputa otù nime
ọgiriga-ya, mechie anu-aru n'ọnọdu-ya:
22 ọgiriga ahu, bú nke Ọ weputara
n'aru madu ahu, Jehova, bú Chineke,
we wue ya dika ulo ka ọ ghọ nwayi, Ọ
me ka ọ biakute madu ahu. 23 Madu
ahu we si, Ehe! nka bu nọ ọkpukpu
si n'ọkpukpum puta, na anu-aru si
n'anu-arum puta: nka ka agākpọ
Nwayi, n'ihi na eweputara nka n'aru
Nwoke. 24 N'ihi nka ka nwoke gārapu
nna-ya na nne-ya, rapara n'aru nwunye-
ya: ha ewe ghọ otù anu-aru. Ha abua
we buru ndi ḅa ọtọ, nwoke ahu na
nwunye-ya, ma ihere adigh-eme ha.

3 1 Ma agwọ di aghughọ kari anu ọhia
ọ bula nke Jehova, bú Chineke,
mereri. Ọ we si nwayi ahu, Ọ̀ gābu
ezie na Chineke siri, Unu erila nkpuru
sitere n'osisi ọ bula nke ubi a aḅara
ogige? 2 Nwayi we si agwọ ahu, Ayi
nēri nkpuru osisi nile nke ubi a aḅara
ogige: 3 ma nkpuru nke osisi ahu nke
di n'etiti ubi a aḅara ogige, Chineke
asiwo, Unu erila nkpuru sitere na ya,
unu emetu-kwa-la ya aka, ka unu we

ghara inwu anwu. 4 Agwọ we si nwayi,
Ọ digh ọnwu unu nāghagh inwu:
5 n'ihi na Chineke mara na n'ubọchi
unu gēri nkpuru sitere na ya, mḅe ahu
ka agēmeghe anya-unu, unu ewe di ka
Chineke, nāma ezi ihe na ihe ọjọ.
6 Nwayi we hu na osisi ahu di nma
ihe-oriri, na ọ bu kwa ihe nāgu anya
agu ile, na ihe anāchọsi ike ka osisi ahu
bu kwa ime ka madu nwe uche, ọ were
ufọdu nime nkpuru-ya, rie; ọ nye kwa
di-ya, tiyere onwe-ya, ọ we rie. 7 Ewe
meghe anya ha abua, ha we mara na
ndi ḅa ọto ka ha bu; ha we dukọta
akwukwọ osisi fig, mere onwe-ha ihe-
ọkiké. 8 Ha we nu olu Jehova, bú
Chineke, ka Ọ nējeghari n'ubi ahu
aḅara ogige mḅe ifufe nēfe n'ubọchi:
madu ahu na nwunye-ya we zopu
onwe-ha n'iru Jehova, bú Chineke,
n'etiti osisi nke ubi ahu aḅara ogige.
9 Jehova, bú Chineke, we kpọ madu
ahu òkù, si ya, Òle ebe i nọ? 10 Ọ
we si, Anurum olu-Gi n'ubi a aḅara
ogige, m'we tua egwu, n'ihi na onye
ḅa ọtọ ka m'bu; m'we zo onwem.
11 Ọ we si, Ònye gosiri gi na onye ḅa
ọtọ ka i bu? Ì riwo nkpuru sitere n'osisi
ahu, nke M'nyere gi iwu bayere ya, ka i
ghara iri nkpuru sitere na ya? 12 Madu
ahu we si, Nwayi ahu nke I nyerem ka
mu na ya biri, ya onwe-ya nyerem
nkpuru sitere n'osisi ahu, m'we rie.
13 Jehova, bú Chineke, we si nwayi ahu,
Gini bu nka i meworo? Nwayi we si,
Agwọ ahu rafurum, m'we rie. 14 Je-
hova, bú Chineke, we si agwọ ahu,
N'ihi na i mewo nka, ihe anābu ọnu ka
i bu kari anu-ulo nile, na kari anu ọhia
nile ọ bula; afọ-gi ka i gēji je ije, ọ bu
kwa ájá ka i ganēri ubọchi nile nke ndu-
gi: 15 iro ka M'gētiye kwa n'etiti gi
na nwayi ahu, na n'etiti nkpuru-gi na
nkpuru-ya: nkpuru ahu gēchifia gi n'isi,
gi onwe-gi gēchifia kwa ya n'ikiri-ukwu.
16 Nwayi ahu ka Ọ siri, M'gēme ka ihe-
nḅu-gi na itu-ime-gi ba uba nke-uku;
n'ihe-nḅu ka i gāmu umu; n'ebe di-gi
nọ ka ọchichọ-gi gādi, ya onwe-ya gāchi
kwa gi. 17 Adam ka Ọ si-kwa-ra, N'ihi
na i gewo nti n'olu nwunye-gi, i we rie
nkpuru sitere n'osisi ahu, nke M'nyere gi
iwu bayere ya, si, Gi erila nkpuru sitere
na ya: ihe anābu ọnu ka ala bu n'ihi
gi; n'ihe-nḅu ka i gēri ihe sitere na ya
ubọchi nile nke ndu-gi; 18 ọ bu kwa
ogwu na uke ka o gēpuru gi; i gēri kwa
ihe-ọkukú nke ubi; 19 n'ọsusọ iru-gi
ka i gēri nri, rue mḅe i gālata n'ala;
n'ihi na esiri na ya weputa gi; n'ihi na
ájá ka i bu, ọ bu kwa ájá ka i gālata.
20 Madu ahu we kpọ aha nwunye-ya
Iv; n'ihi na nwayi ahu bu nne madu nile
nwere ndu. 21 Jehova, bú Chineke,
we were akpukpọ anu mere Adam,
me-kwa-ra nwunye-ya, uwe-ime, we
yibe ha.

22 Jehova, bú Chineke, we si, Le,
madu ahu aghọwo ihe di ka otù onye
nime ayi, n'ima ezi ihe na ihe ọjọ; ma
uḅu a, ka ọ we ghara iseti aka-ya, were
nkpuru sitere n'osisi ahu nke ndu, rie,
di ndu rue mḅe ebigh-ebi: 23 Jehova,
bú Chineke, we zipu ya n'ubi Iden
aḅara ogige, ilu ọlu ala ahu nke esiri na
ya weputa ya. 24 Ọ we chupu madu
ahu, me ka Cherubim nọdu n'akuku
Iru-anyanwu nke ubi Iden aḅara ogige,
ha na ire-ọku nke mma-agha nke
nēchighari onwe-ya, idebe uzọ osisi
ahu nke ndu.

THE HOLY BIBLE IN IGBO

UNION VERSION

BFBS–1982–105M–53